# Nsogbu na-echere Nkuzi na Ọmụmụ Ụdaasụsụ Igbo Aka Mgba n' Ụlọ Akwụkwọ Sekọndịrị n'Ala Igbo

Si n'Aka

**Monica Obiageli Omeje**
Ngalaba Mmụta nka Mahadum Naijirịa, Nsụka
+2348063583030 monicaomeje@gmail.com,


## Ụmịedemede

Ederede a lebara anya na nsogbụ ụmụ akwụkwọ na-enwe n'ọmụmụ ụdasụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ. Ụdaasụsụ bụ ihe ọmụmụ e si na ya enye ụmụ akwụkwọ ntọala gbasara ọmụmụ asụsụ ọ bụla. Ọ bụ usoro ọmụmụ mkpọpụta na usoro odide asụsụ. Asụsụ ọ bụla nwere mkpụrụ edemede e ji asụ ma na-edekwa ya. Ọtụtụ ndị nkuzi Igbo na ụmụ akwụkwọ amaghi agụpụta mkpụrụ edemede Igbo. Ọ na-abụrụ ụfodụ ụmụ akwụkwọ na ndi nkuzi ihe tara akpụ ịgụpụta mkpụrụ abịịdịị Igbo n'isi. Mana ọ dịghị otu a na bekee. Nke a kpatara na ọ na-abụrụ ọtụtụ ụmụafọ Igbo gụrụ akwụkwọ ihe siri nnukwu ike ma a sị ha jiri Igbo izugbe kwuo okwu, ma ọ bụ gụpụta ihe e dere n'akwụkwọ n'olu Igbo. Nke a bụ maka na ọtụtụ mmadu anataghi ezigbo ọzụzụ n'aka ndị nkuzi oge ha nọ n'ụlọakwụkwọ n'ihe gbasara ụdaasụsụ. Ọ bụ nke a kpatara odee jiri chọọ ileba anya na nsogbụ na-echere nkuzi na ọmụmụ ụdaasụsụ akamgba n'ụlọakwụkwọ. Odee nyekwara ntuziaka n'ụzọ a ga-esi belata nsogbu ndị ahụ niile ka ọmụmụ ụdaasụsụ Igbo wee gbanye mgbọrọgwụ n'ụlọakwụkwọ.


**Ọkpụrụkpụ okwu:** Asụsụ, Asụsụ Igbo, ụdaasụsụ, olundị, Igbo izugbe.

## Mkpọlite/Nkọwa Ụdaasụsụ

Asụsụ bụ okwu e kwuru ekwu ma ọ bụ nke e dere ede nwere mpụtara nke na-ezipụta ihe mmadu bụ n'uche. Mmadu na-esite n'asụsụ gosipụta ebumnobi ya, mmasị ya na ihe niile ọ chọrọ ka onye ọzọ mata. Asụsụ bụkwa otu mpaghara omenaala nke mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta. A na-esite n'asụsụ amata agbụrụ onye siri pụta. Na nkọwa nke ya, Anozie (1999) kọwara asụsụ dịka ụda sitere n'olu mmadu nwere nghọta mgbe ọganokwu dị iche iche meghariri ahụ n'ụzọ dị iche iche. Asụsụ bụkwa usoro okwu ma ọ bụ nhazi ụda nke otu mba maara nke ọma ma jiri ya na-ekwurịta okwu n'etiti onwe ha. Mba ọ bụla nwere asụsụ e ji mara ha. Ndị Igbo nwekwara asụsụ e ji mara ha bụ Igbo.

Igbo bụ asụsụ e ji mara ndị Igbo. Ndị Igbo bụ ndị isi ojii bị na ndịda ọwụwa anyanwu n'ala Naịjirịa, nke dị n'ọdịda anyanwụ mba Afịrịka. Steeti ndị Igbo jiri mere isi obibi ha bụ steeti Abịa, Anambara, Ebonyi, Enugwu na Imo. E nwekwara ike ịhụ ndị Igbo na steeti ndị agbataobi ha dịka Rivers, Akwaibom, Cross rivers, Bayelsa, Delta, Benue na Kogi. Nke bụ eziokwu bụ na o nweghị mpaghara ala Naijirịa a na-achọ ndị Igbo achọ na ya n'ihi na ndị Igbo bụ ojezurumba.

Ọ bụ asụsụ Igbo ka onye ọ bụla bụ nwafọ Igbo na-asụ iji gosipụta mmekọrịta, ọdịnaala, ekpemekpe, nkwenye na omenaala ndị Igbo. Ndị Igbo ji asụsụ Igbo egosipụta ezi mmekọrịta n'etiti onwe ha. Nke a kpatara ịmụ asụsụ Igbo dị ka ihe ọmụmụ ji dị nnukwu mkpa, maka na ọnwụ asụsụ ọ bụla na-ebido n'enyefeghi ya n'aka agbụrụ ọhụrụ site n'akuzighị ya n'ụlọakwụkwọ ka ụmụaka mụta ya. Ihe nke a pụtara bụ na mba ọ bụla hapụrụ isụ asụsụ ha ọtụtụ oge, site n'agbụrụ rue n'agbụrụ, sụba asụsụ mba ọzọ, ga-ekpochapụ ọsịịsọ. Agbụrụ ọhụrụ nke mba ahụ agaghị amatakwa asụsụ ha. Nke a nwere ike ime na nchefu mba dị otu a esighị ike n'ihi na asụsụ bụ olu e jiri mara mba ọbula:

Ọ bụ n'ihi mkpa ịmụ asụsụ dị mere Goomentị etiti ala Naịjiria jiri wepụta asụsụ amaala atọ ka a na-amụ n'ụlọakwụkwọ niile dị na Naijirịa. Ha bụ: Awụsa, Igbo na Yoruba. N'ụzọ dị otu a ka asụsụ Igbo jiri bụrụ otu n'ime ihe ọmụmụ a na-amụ n'ụlọakwụkwọ taa.

Asụsụ Igbo nwere mkpụrụ edemede nke e ji akuzi ya n'ụlọakwụkwọ. Nke a ka a na-akpọ "Abịịdịị Igbo". Mkpụrụ edemede Igbo dị iri atọ na isịị n'ọnụọgụ. Ọ bụ nke a ka e ji enye ụmụaka ntọala n'ihe ọmụmụ gbasara asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ.

Emenanjọ (1999) kọwara na mkpụrụ edemede bụ mkpụrụ 'abịịdịị' asụsụ nwere; n'ihi nke a, onye ọ bụla chọrọ ịmụ asụsụ ga-ebu ụzọ bido na mkpụrụ edemede asụsụ ahụ ọ chọrọ ịmụ. Nke a bụ maka na mkpụrụ edemede ọ bụla nwere otu e si akpọpụta ya. Ọ bụ mkpọpụta mkpụrụ edemede dị n'asụsụ ka a na-akpọ ụdaasụsụ.

Ụdaasụsụ dị nnukwu mkpa n'ịmụ mkpụrụ edemede asụsụ ọ bụla. Agbedo (2000) kọwara na ụdaasụsụ bụ otu ihe kachasị mkpa n'ọmụmụ asụsụ ọ bụla dịka a nabatara na sayensị asụsụ. Nwa amadị a gakwara n'ihu kọwapụta na ọ bụ ngalaba lingwịstiki a kpọrọ fonetiksi (ụdịdị ụdaasụsụ) na fọnọlọji (ọdịdị ụdasụsụ) bụ ebe a na-amụ ihe gbasara ụdaasụsụ. Na nkọwa nke ya, Okafo (2009) na-egosi na ụdaasụsụ bụ mkpụrụ edemede Igbo (Abịịdịị) na nsoroodide ha. Ọ gakwara n'ihu kọwapụta na ịmụ ụdaasụsụ bụ ịmụ mkpụrụ edemede asụsụ nwere. Ọfọmata (2007) kọwara ụdaasụsụ dịka mkpọpụta mkpụrụokwu dị n'asụsụ. Ọ gakwara n'ihu kọwapụta na ụdaasụsụ bụ otu e si akpọpụta mkpụrụokwu asụsụ nwere, idepụta ha n'otu n'otu ma wepụtakwa nkọwa ha.

A bịa n'asụsụ Igbo, ụdaasụsụ dị nnukwu mkpa ma bụrụ ihe na-enyere ụmụ akwụkwọ aka n'ebe ọ dị ukwuu ịmụta mkpụrụ edemede Igbo izugbe ọsịịsọ, ma jiri ha na-emebe okwu Igbo. Mana ọtụtụ ụmụ akwụkwọ na ndị nkuzi na-eleghara ihe ọmụmụ gbasara ụdaasụsụ anya nke ukwuu na-amaghị na ọ bụ ya bụ isi ntọala e ji akwado ụmụ akwụkwọ maka mmụta asụsụ Igbo. Ọ bụ nleghara anya a na-ebute ọtụtụ nsogbu n'ọmụmụ ụdaasụsụ Igbo. Nke a kpatara na ọtụtụ ụmụ akwụkwọ na ụmụ igbo ndị gụchagoro akwụkwọ amaghị ka e si asụpe mkpụrụokwu Igbo ma ya fọdụzie iji Igbo izugbe were kwuo okwu. Ọ bụkwa amaghi ụdaasụsụ Igbo izugbe na-akpata ọtụtụ ụmụafọ Igbo na-agwakọta mkpụrụ ụdaasụsụ bekee na nke Igbo ọnụ mgbe ha na-ekwu okwu. Ụfọdụ ụmụ akwụkwọ anaghị etinye uchu n'ịmụta mkpụrụ abịịdịị ma ọ bụ mkpụrụụdasụsụ Igbo, ma ọ bụ jikọtanwuo ha ọnụ were mebe mkpụrụokwu Igbo dabara adaba. Ọ na-abụrụ ụmụ akwụkwọ ihe nhịaahụ ibu mkpụrụ edemede Igbo n'isi dịka ha na-eme na mkpụrụ edemede nke Bekee. Nke a bụ ọrịa ji ụmụ Igbo niile aka, ma ndị nkuzi, ma ụmụ akwụkwọ. Ndị Igbo sịrị na a mara ihe na-arịa mmadu, a mara ka a ga-esi gwọọ ya. N'ihi nke a ka odee jiri lebaa anya n'ịchọpụta nsogbu na-echere nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo aka mgba n'ụlọakwụkwọ ma tụọ alo ka a ga-esi belata nsogbu ndị a. Ebumnuuche odee bụ na mgbe e belatara nsogbu ndị a niile, na ọ ga-enye aka kwalite uto asụsụ Igbo n'ọdinịịhu.

**Uru ụdaasụsụ bara**

Ụdaasụsụ bara nnukwu uru n'ebe mmadụ nọ. Asụsụ ọ bụla nwere mkpụrụ ụdaasụsụ e jiri mara ya. Asụsụ nke na-enweghị mkpụrụ ụdaasụsụ abụghị asụsụ n'ihi na ọ gaghi ekwe ọsụsụ.

Ịmụta ụdaasụsụ dị mkpa ka mmadu nwee ike ịmụta asụsụ n'owuwe anya. Nke a bụ maka na mgbe mmadụ mụtara ụdaasụsụ, ọ ga-enyere ya aka ịghọta mkpụrụ edemede dị n'asụsụ ahụ. A bịa n'asụsụ Igbo, ịmụta ụdaasụsụ ga-enyere ụmụ akwụkwọ aka ịsụ na ide Igbo izugbe nke ọma n'enweghị ihe mgbochi ọ bụla.

Ụdaasụsụ na-abanye n'okwu ọ bụla mmadu na-ekwu n'ụwa. Ọ bụ ụdaasụsụ ka e ji enye ụmụ akwụkwọ ntọala n'ọmụmụ asụsụ ọ bụla. Ọnọdụ dị otu a na-egosi na ọmụmụ ụdaasụsụ dị mkpa, n'ihi na mgbe nwa akwụkwọ mụtara ụdaasụsụ ya nke ọma, ma were mkpụrụụda ndị ahụ mebe okwu, ịsụ asụsụ ahụ agaghị arakwa ya ahụ. Nwata akwụkwọ mụtara ụdaasụsụ Igbo na-abụ a kwaa a kwụrụ n'ihe gbasara ọsụsụ na odide Igbo izugbe. Isụ asụsụ Igbo na-aga nwata dị otu a were were n'ọnụ n'ihi na ọ maara ka e si-emebe okwu n'asụsụ Igbo. Onye dị otu a na-abụkwa ọkaibe n'ihe gbasara idepụta mkpụrụokwu na ahịrịokwu Igbo izugbe nke ọma, maka na o nwere ezigbo ntọala n'ụdaasụsụ Igbo.

N'ikpeazụ. mmadu ịmụta ụdaasụsụ ma mara asụsụ ahụ nke ọma na-enye aka maka iwe ndị mmadụ n'ọrụ. N'ebe a, ndị na-ewe ọrụ na-ele anya iwe onye maara asụ, ma ọ bụ ede asụsụ, ya na ndị ga-eji ya kparịta ụka nke ọma n'ọrụ.

**Nsogbu na-echere nkuzi na ọmụmụ ụdaasụsụ Igbo akamgba n'ụlọakwụkwọ**

A bịa n'ọmụmụ ụdaasụsụ Igbo, ọtụtụ nsogbu na-adọghachi nkuzi na ọmụmụ ya azụ n'ụlọakwụkwọ. Nsogbu ndị a gunyere enweghị ezi ntọala nke ụmụ akwụkwọ na mkpọpụta na mmebe mkpụrụokwu Igbo. Ọmụmụ asụsụ ọ bụla na-amalite n'ịmụta mkpụrụụda mebere asụsụ ahụ. Ọtụtụ ụmụ akwụkwọ amaghị ka e si asupe mkpụrụokwu Igbo ma ya fọdụzie iji ha kwuo okwu, ma ọ bụ depụta ha n'akwụkwọ. Ọ bụghị naanị ụmụ akwụkwọ ka nsogbu a ji aka, ọtụtụ ụmụafọ Igbo gụrụ akwụkwọ amaghị ka e si-eji Igbo ekwu okwu. Ndị dị otu a enweghị ike ikwucha otu ahịrịokwụ n'Igbo na-agwakọtaghị ya bekee. Ọnọdụ dị otu a dị njọ nke ukwuu. Nsogbu a dabere n'enweghị mmasị nke ndị Igbo n'ebe asụsụ ha dị. Ọtụtụ ụmụ akwụkwọ bụ ndị nne na nna ha na-asụrụ bekee n'ụlọ, nke a na-eme na ụmụaka ndị a anaghị etinye uche n'ịmụ mkpụrụokwu Igbo. Nwata na-enweghị ezi ntọala n'ọmụmụ mkpụrụ edemede Igbo agaghị asụnwu Igbo izugbe nke ọma. Nwata dị otu a na-abụ ofeke n'ebe asụsụ Igbo dị. Omume dị otu a nke ndị Igbo na-akpaso asụsụ ha adịghị mma, na nwa amaala Igbo enweghị ike ịkpọpụtanwu ụdaasụsụ Igbo, ibu ya n'isi ma ọ bụ ịsụ asụsụ e jiri mụọ ya nke ọma ghara itinye ya bekee. Nsogbu dị otu a so n'ihe na-echere nkuzi na ọmụmụ ụdaasụsụ Igbo aka mgba n'ụlọakwụkwọ.

Ọzọ dịka ibe ya bụ nsogbu sitere n'olundị. Asụsụ Igbo nwere ọtụtụ olundị mebere ya. Nke a kpatara e ji asị na Igbo na-asụ n'olu n'olu. Ihe nke a pụtara bụ na agbụrụ dị iche iche mebere ala Igbo nwere olu asụsụ e ji mara ha. Olundị bụ oluasụsụ e ji mara otu agbụrụ nke ha na-asụ, ma jirikwa na-eme mkparịta ụka n'etiti onwe ha. Ọ bụ n'ihi nsogbu olundị na-ebute n'ọmụmụ asụsụ Igbo mere e ji wepụta Igbo izugbe. Igbo izugbe bụ olu Igbo jikọtara Igbo niile ọnụ nke a nabatara ka e jiri na-akuzi ma na-edekwa Igbo n'ụlọakwụkwọ. Ọ bụ olu asụsụ e siri na mpaghara Igbo niile wepụta nke na o nweghi onye ma ọ bụ ndị ga-asị na ọ bụ ha nwe ya. Ọ bụ Igbo izugbe ka ụmụ akwụkwọ ji ede Igbo n'ụlọakwụkwọ, ọ bụkwa ya ka ndị nkuzi ji akuzi ihe. Ọ bụ mkpụrụ edemede abịịdịị Igbo ka e ji-akuzi Igbo n'ụlọakwụkwọ. Ọtụtụ mgbe, ụmụ akwụkwọ na-agwakọta olundị ha na mkpụrụ edemede Igbo izugbe ọnụ na mkpọpụta ụdaasụsụ Igbo. Nke a na-ebutere ha ọdịda n'ule.

Nsogbu ọzọ na-echere nkuzi na ọmụmụ ụdaasụsụ Igbo akamgba n'ụlọakwụkwọ bụ ndịiche dị n'ụfọdụ mkpụrụ ụdaasụsụ yitere onwe ha n'asụsụ Igbo. N'ebe a, ụmụ akwụkwọ nwere ike ịgụpụta ma buru mkpụrụ ụdaasụsụ n'isi mana ha amaghị ede ha ede, ma ọ bụ jiri ha mebe mkpụrụokwu/ahịrịokwu n'Igbo. Ụfọdụ ụmụ akwụkwọ na-edehie ọtụtụ mkpụrụụda mgbe ha na-ede edemede n'ule. Ọ bụ n'ihi nke a ka Emenanjọ (1999) jiri kọwaa na ndepụta ụdaasụsụ na mkpọpụta mkpụrụ ụdaasụsụ anaghị abụcha otu n'ebe ụfọdụ n'okwu Igbo. Ọ gakwara n'ihu gosi n'oge ụfọdụ, na ndepụta mkpụrụ ụdaasụsụ na-agbaso usoro e si ede ha na mkpụrụ edemede abịịdịị, mana ọ dịghị otu a na mkpọpụta ụdaasụsụ n'ihi na ọ na-enwe mgbanwe n'ebe ụfọdụ n'ime ahịrịokwu. Ọtụtụ ụmụ akwụkwọ na-edehie ma na-ekwuhie mkpụrụ ụdaasụsụ mgbe ha na-ede ma na akpọpụta mkpụrụokwu Igbo. Nke a na-ebutekwara ha ọdịda n'ule.

Amamiihe nke onye nkuzi Igbo bụkwa ihe ọzọ nwere ike na-adochi nkuzi na ọmụmụ ụdaasụsụ azụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị. Ọtụtụ ndị nkuzi Igbo enweghị ezi ọzụzụ na mmụta n'ihe gbasara ụdaasụsụ. Mmadu enweghị ike inye onye ọzọ ihe o mweghị. Onye nkuzi nke na-enweghị ezi mmụta n'ihe gbasara ụdaasụsụ agaghị akuzinwu ya n'ụlọakwụkwọ n'ụdị ụmụaka ga-aghọta ya. Nke bụ eziokwu bụ na ụfọdụ ndị nkuzi Igbo amaghị ka e si agụpụta ma ọ bụ edepụta mkpụrụ abịịdịị Igbo. Nke a bụ nnukwu ọdachị nye nkuzi na ọmụmụ ụdaasụsụ n'ụlọakwụkwọ.

Nka na usoro ndị nkuzi ji akuzi ụdaasụsụ bụkwa ihe ọzọ na-emetuta nkuzi na ọmụmụ ya n'ụlọakwụkwo kamgbe a malitere kuziwe Igbo dịka ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ. Ọtụtụ ndị nkuzi amabeghị ezigbo nka na usoro ha ga-eji kpọlite mmụọ/mmasị ụmụaka n'ọmụmụ Igbo. Nkuzi bụ ọrụ nka. N'ihi ya, o tosiri ka ezigbo onye nkuzi Igbo chọpụta ezigbo nka na usoro ọ ga-eji kuzere ụmụaka ụda asụsụ Igbo ka ha

were mụta ya ma bamiekwa ha n'ụbụrụ isi. Ma na ọ dịghị otu a n'ụlọakwụkwọ n'ihi na ụfọdụ ndị nkuzi na-eji olu bekee na olundị akuziri ụmụaka mkpọpụta mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo. Nke a na-ewetara ụmụ akwụkwọ mgbagwoju anya n'ihe ọmụmụ gbasara ụdasụsụ. Fafunwa (1989) kọwara na ihe na-ebute mgbapụ ụmụaka n'ụlọakwụkwọ bụ n'ihi bekee e ji akuziri ha ihe. O kwukwara na nwata na-eme nke ọma ma e jiri asụsụ e ji mụọ ya kuziere ya ihe karịa asụsụ bekee. Nke a kpatara n'ọtụtụ obodo mepere emepe dịka mba 'China' na 'America' na-eji asụsụ ala ha akuziri ụmụaka ha akwụkwọ bido na praịmarị wee ruo na mahadum. Ihe dị otu a adịghị n'ebe nkuzi asụsụ Igbo dị. Ọ bụ nke a kpatara Nwaneri (2019) jiri kwuo na ọ dị ọtụtụ ihe onye nkuzi ga-ama ma buru n'uche tutu o nwee ike ịmata ụdị nka ọ ga-eji wee kuziere ụmụaka ihe ka nkuzi ya wee mịta ezi mkpuru. Ihe ndị a gụnyere:

- Ebunuuche ndị obodo n'ebe agụmakwụkwọ ụmụ ha dị na ihe ha chere agụmakwụkwọ ga-abụ.
- Onye nkuzi ịmata ihe gbasara ụmụ akwụkwọ ya dị ka, afọ ole ha gbara, ihe mgbochi ma ọ bụ nrịanrịa ha nwere, ndị na-anụ ntị ike, ụdị ezinaụlọ ha si pụta, na ole n'ime ha mara akwụkwọ na ndị amaghị.
- Ihe ọ ga-akụziri ha na otu ọ ga-esi wee kuzie ya, ha wee ghọta ya nke ọma.
- Ọ ga-amata ma ngwa nkuzi dị iche iche ọ ga-eji wee kuzie ihe ọ dịkwa.
- Ọnụọgụgụ klaasị ọ ga-akuziri ihe. Ọ bụrụ klaasị buru ibu, ezigbo onye nkuzi kwesịrị ịma ka ọ ga-esi kuziere ha ka onye ọ bụla were sonye na nkuzi na ọmụmụ, ma ghọtakwa ihe ọ na-akuzi.
- Onye nkuzi ga-ama oge ole e nyere maka ihe nkuzi ọ bụla ka o wee mara aka nka ga-ekwesi oge e nyere.

Ihe ndị a niile bụ ihe a tụrụ anya na ezigbo onye nkuzi ga-ama ma kwadokwa onwe ya tupu ọ kuzie ihe. Mgbe onye nkuzi Igbo kwadoro onwe ya n'ihe ndị a niile, ị mara na nchọpụta nka na usoro ọ ga-eji kuzie ụdaasụsụ n'ụlọakwụkwọ ga-adịrị ya mfe. Ezigbo onye nkuzi Igbo chọrọ ikuzi ụdaasụsụ Igbo tosiri inwe nka isite n'ihe ndị dị mfe wee banyewe n'ihe tara akpụ; dịka ikpọpụta mkpụrụụda okwu ndị dị mfe wee banye na ndị tara akpụ; isite n'ihe ndị a na-ahụ anya wee banye na ndị nhụrụnuuche. O kwesịrị ịma ka ọ ga-esi jikọta ọtụtụ usoro nkuzi ọnụ ka ha wee mịta ezi mkpụrụ n' ebe nghọta nke ụmụ akwụkwọ dị. Mana ọtụtụ ndị nkuzi Igbo enweghị nka ime ihe ndịa. Nke a na-akpata na ọtụtụ ụmụ akwụkwọ anaghị enwe ezigbo ntọala n'ihe gbasara ụdaasụsụ Igbo. Nke a wee bụrụ nnukwu ọdachi nyere nkuzi na ọmụmụ ụdaasụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ. Ọ bụ n'ihi nsogbu ndị a niile kpalitere mmụọ odee n'ileba anya n'isiokwu a bụ nsogbu na-echere nkuzi na ọmụmụ ụdaasụsụ Igbo akamgba n'ụlọakwụkwọ sekọndirị dị n'ala Igbo. Ọ bụ uche odee inye ntuziaka ka a ga-esi belata nsogbu ndị a ka uto asụsụ Igbo na-agawanye n'ihu.

**Ihe e nwere ike ime iji gbochie nsogbu ndị a**

Ebe ọ bụ na ụdaasụsụ bụ mpaghara ọmụmụ e si na ya enye ụmụ akwụkwọ ntọala n'ọmụmụ asụsụ Igbo, ọ kachasi ịmụta ka e si asụ na ide Igbo izugbe, o kwesịrị ka ndị nkuzi na ndị gọọmentị nye nkuzi ihe ọmụmụ a ezi nkwado pụrụ iche ka ụmụaka wee nweta ezigbo ntọala na ọmụmụ asụsụ Igbo. N'ihi nke a, ndị gọọmentị ga-ahụ na ha mapụtara oge pụrụ iche maka inye ndị nkuzi ọzụzụ (seminar and workshop) ebe ndị nkuzi Igbo ga-esi bawanye na mmụta ha.

Ndị nkuzi asụsụ Igbo ga-ahụ na ha ji ezigbo nka na usoro nkuzi dabara adaba were na-akuzi ụdaasụsụ Igbo. Ha ga-agba mbọ hụ na ha ji usoro nkuzi ga-adị ụmụ akwụkwọ ka ihe na-eme eme ghara ịdị ha ka akụkọ ifo ma ọ bụ ụwa nrọ. Ndị nkuzi tosiri iwebata ihe omume, ejije na mkparịtaụka na nkuzi ụdaasụsụ; maka na ihe ha hụrụ n'anya na ihe ha soro mepụta na-abanye ụmụ akwụkwọ n'ụbụrụ nke ọma. Ọzọ, ụmụ akwụkwọ na-aka echeta ihe ọmụmụ e tinyere n'ụdị ejije na ukwe.

Ndị gọọmentị ga-enye aka ziga ngwa nkuzi zuru oke maka ọmụmụ asụsụ Igbo, (ọ kachasị ụdaasụsụ) n'ụlọakwụkwọ maka nkwado ihe ọmụmụ a. Ndị nkuzi n'onwe ha ga-enye aka na-eweta ihe ụfọdụ n'ụlọ ha ma ọ bụ n'aka ụmụ akwụkwọ iji hụ na ha kuziri ihe ha chọrọ ikuzi nke ọma.

Ndị gọọmentị tosiri ịrụrụ ụmụ akwụkwọ ụlọ mmepụta ụda n'ụlọakwụkwọ dị iche iche ebe ha ga-anọ mepụtanwuo ụda dị iche iche ma matakwa ebe mkpọpụta na usoro mkpọpụta ụdaasụsụ Igbo.

Ndị gọọmenti na ndị nkuzi asụsụ Igbo ga-agba mbọ mee ka ọhanaeze mata mkpa ọ dị ịmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ (awareness campaign). Nke a ga-ekpughe anya ndị nne na nna, ma mee ka ha kwụsị iji bekee atọrọ ụmụ ha ntọala asụsụ ka asụsụ Igbo sonye n'ihe ụmụ akwụkwọ ga na-eji abanye mahadum, na ụlọakwụkwọ ndị ọzọ dị elu n'ala Naijirịa, ọ kachasị na mpaghara ala Igbo niile. Nke a ga-enyekwa aka kwalite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo nke ụdaasụsụ bụ otu alaka ya.

N'ikpeazu, ndị nkuzi ga na-akpọrọ ụmụ akwụkwọ ha aga njem asọmpi kwa mgbe kwa mgbe iji kwalite mmasị ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọ bụ uche odee na ọ bụrụ na e tinye ihe niile e depụtara n'akwụkwọ a n'ọrụ, na nsogbu niile na-echere nkuzi na ọmụmụ ụdaasụsụ akamgba n'ụlọakwụkwọ ga-abụ ihe akụkọ mgbe ochie.

**Mmechi**

Ụdaasụsụ bụ alaka ihe ọmụmụ e ji enye ụmụ akwụkwọ ntọala n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọ bụ ihe ọmụmụ gbasara mkpọpụta mkpụrụụda e ji ekwu okwu n'asụsụ Igbo. Ụdaasụsụ na-eme ka mmadu mụta asụsụ Igbo n'ụzọ doro anya. Ọ bụ alaka ihe ọmụmụ dị oke mkpa n'asụsụ ọ bụla n'ihi na ọ na-abanye n'okwu ọ bụla mmadụ na-ekwu n'ụwa. N'ihi nke a ka o jiri dị mkpa na ụmụ igbo niile, ma nwoke ma nwaanyi, ma ụmụ akwụkwọ ma ndị nkuzi, ndị nne na nna na ndị gọọmentị ga-agba mbọ jikọọ aka ọnụ, iji hụ na ọmụmụ ụdaasụsụ nwetara ezigbo nkwado n'ụlọakwụkwọ. Nke a ga-enye aka n'ebe ọ dị ukwuu n'ibelata ọnwụ asụsụ Igbo n'ọdịniihu.

**Edensibịa**

Agbedo, C.U. (2000). *General Linguistics. An Introductory Reader.* Nsukka: ASE

Anozie, C.U. (1999). *Lingwuistiiki Sayensi Asụsụ.* Nsụkka: Fllad Publishing Company

Emenanjọ, E.N. (1999). *Exam Focus: Igbo maka WASSCE & JME.* Ibadan: University press Plc.

Fafunwa, A.P. (1989). *New Perspective in African Education.* Lagos: Macmillian Nigeria Ltd.

Nwaneri, A. (2019). Adimire Ngwa Nkuzi Eserese na Nmeta Nke ọma Ụmụ akwụkwọ Praịmarị na Mmebe Mkpụrụokwu Asụsụ Igbo. *Unpublished M.ed Thesis,* University of Nigeria, Nsukka.

Ọfọmata, C. (2007). *Jụọ m Igbo*: Enugu: Format Publishers.

Okafor, S.N. (2009). *Igbo juniọ sekọndịrị n' usoro Bezik Edụkeshọn I.* Onitsha: Elites' Publishers.